# USORO ISI OKWU

## Nkwado Mmepe


| | ihu akwukwo | Oge |
|---|---|---|
| OKWU EGO | | |
| **Site na-Igba Mbo, Ime Obodo e Chekwala, Nde Naira Abuo**<br>*Ime obodo Akassa nke no na akuku oke osimmiri Atlantic bu obodo eji amatu mitara Mkpuru oma na obere mgbaziri ego na amuma Usoro mmepe* | **Otu Nkeji Iri tinkom ato na ise.** | **ise** |
| **Ngari Akpulaafo N'ala Njem Nleeghariri, Anya Na Ari-elu Na Tanzania**<br>*Obodo idi ocha butere Tanzania Ubara onu ego dollar* | **Iri tinkom ano na asaato** | **iri na ano** |
| IKPE AKWUM OTO | | |
| **Umu Iwu Nke Ogu Aputala Ihe**<br>*Ubochi agbanwoeala nyere ndi ochichi nchigbu ha na ndi agha di na obara* | **Nkeji abuo iri timkom abuo na isii** | **itolu** |
| OGWU | | |
| **Bill Gates Akwadola Oru Ihe Omimi Nyocha Oria Mmikpo**<br>*Igwe Microsoft computa akwadola ego buru ibu maka oria mmikpo na iba* | **Nkeji Abuo iri tinkom ano na otu** | **asato** |
| **Ogbuna Mkpo: Ezi Akwukwo Si Mba Europe**<br>*Naijiria ga ekeete oke ogwu ohuu ga egbochi ajoo umu ori ogbunamkpo* | **Otu nkeji na. tinkom asaa** | **ato** |
| **Ndi Ikom Itolu Kpuru Isi Ariala Ugwu Kilimanjaro**<br>*Ndi ikom itolu emeela ihe kputoro-okpu I bu ndi mbu kpruru isi riri nnukwu ugwu kachasi-elu na mba Africa* | **Otu nkeji iri tinkom abuo na asato** | **ato** |
| OKWU OKE NA NNE | | |
| **Inyom Ewela Iwe Ghasatara Ekike ha**<br>*Inyom Malawi eweela iwe banyere okwu ndi otu Ndorondoro kwuru gbasatara ekighi ekike di mima* | **Nkeji ato na tinkom iri na abuo** | **isii** |
| **Mba Malawi Anabataala Inyom N'etiti Ndi Oru Nke Ndi Agha Ha**<br>*Enwela Nghanta-ngha oru oke na nne n'ulo oru ndi agha mba Malawi* | **Otu nkeji na tinkom asato.** | **iri na ano** |

## Gburu-gburu

| | | |
|---|---|---|
| AKWUKWO | | |
| **Otu Ntooala Nche Nke Obodo Anyi Eweputala Akwukwo Akuko**<br>*Otu kachasi nche-kwa gburu-gburu n'ala anyi nooro nke onwe ya eweeputaala akwukwo akuko amuma ohuru meetutere nche-kwa ime obodo* | **Otu nkeji na tinkom iri** | **ise** |
| USORO IWU | | |
| **Enwela Nzuko Omu mu Ihe Gbasatara Iwu Oke Ohia Nke Mbu na Naijiria**<br>*Ihe kariri ndi okachaa mara iri abuo zukoro n'odida anyanwu nke Naijiria ileebazukoro anya n'umu iwu etiti banyere oke ohia eweputara maka Naijiria* | **Nkeji ato na tinkom iri na abuo** | **asato** |
| **Akatoola Iwu Nkwado Ahia Odu Enyi**<br>*Ndi otu nooro onwe ha atuala egwu na mgbere ahia odu enyi nwere ike imaliteeghariri isi umu enyi ala* | **Otu nkeji iri tinkom ise na asato** | **ano** |
| **Mba Afrika Nile Ejikoola Aka Onu Ibuso Agha Nkwusi Mmebi Iwu Oke Ohia**<br>*Obodo isii n'ime Afrika ejikoola aka iche kwa mmebi iwu gburu-gburu* | **Otu Nkeji na tinkom ano** | **ato** |
| NNYUTO | | |
| **Umu Akwukwo Ogugu Ebiputala Akara Ugbo Ala Dara Iwu**<br>*Usoro amuma onye isi nleeba anya n'akwukwo mbiputa banyere nche kwa gburu-gburu* | **Otu nkeji na tinkom ato** | **iri na ano** |
| ORU NGO | | |
| **Otu Nooro Onwe Ya Ehiwela Amuma Ichu Nta Umu Anu Oke Ohia Maka Erimeri**<br>*Usoro amuma ohuru banyere nehe kwa ndu oke ohia adila Ire n'ime obodo ano enwere na Cross River State* | **Otu nkeji na tinkom iri na. asato** | **ano** |
| **Otu Oru Nche-kwa Chi Okike N'Umu Amuma Oru NGO Nche kwa Ime Obodo**<br>*Otu ntoo ala nche-kwa chi okike no itupta usoro amuma enye m aka ihe omimi ndu nyere ime obodo ndi ahu chi gosiri nke oma iche-kwa umu ngozi ndia ha nwere n'uzo ziri-ezi* | **Nkeji abuo iri tinkom ise na otu** | **asaa** |
| NDU-OKE OHIA | | |
| **Umu Anu Di Iche IcheAtuteghanda-Ariala**<br>*Umu enyi ala no na ogbaghara.*<br>*Odi nnukwu mkpa imwe nnukwu nna, maka ezi onodi oke ohia umu anumanu* | **Otu nkeji** | **iri na ato** |

## Ngbalaba Umu Aka

| | | |
|---|---|---|
| **Mkpuru Anya-Ukwu**<br>*Nwanyi-anya-ukwu enweghi ndidi ezuteela onwu ya* | **nkeji itolu iri. tinkom abuo na ise** | **iri na otu** |
| **Ubochi Nkita Ohia Ghogburu Eze Umu Anu Ohia**<br>*Kedu ihe nkita ohia ji akpachapu anya ebe odum no?* | **otu nkeji iri tinkom ise na ise** | **iri** |
| **Kedu Ka Umu Nnunu si Ano Na Ahiri Latric Enweghi Ihe Nkuja?**<br>*Umu ihe ndi mere nnunu ejighi enwe ihe kuja nke oku latric* | **Iri tinkom ise na isii** | **iri na otu** |
| **Kedu Ihe Nnunu Ji Abu-abu N'ututu?**<br>*Umu nnunu ona aguwa egwu imee obi utoo ka'obu ibeelata ubara ndi enyi na ogbe ha?* | **Iri tinkom ise** | **iri na otu** |

## Umu Mkpuru Okwu Na Nkoowa Ha **iri na ise**

# *Akuko*

**Ikom Itolu Kpuru Isi Ariala Ugwu Kilimajaro** **Otu nkeji iri abuo na asato**

Ihe kputoro-okpu mere nso nso a ebe ikom itolu si mba Afrika, oto na Britain gafere feet puku iri na itolu ugwu Kilimajaro bu ugwu kachasi di elu n'etiti mba Afrika nile. Nkea bu maka nkwado, enye m'aka onu ego nyere otu ndi ihe uwa na-tu n'onu. Aha ndi riri ugwu a bu Modetta Matingi, Stephen Maina, Gregory Kimani na Chrisantus Waswa si Kenya ndi ozo bu Peter Simon, Nyombi si Uganda na Adela Buruno Salonga si Tanzania. Ndi otu si Britain bu Louise Waddignton, Bryon Cooke na Deborah Langan. Owere ha iri awa abuo iji ripu ya.

Ndi otu kwadoro njem a, akpororo Sight Savers International n'asusu bekee, ghoro ndia n'ilu idi na otu ume oru ma nye kwa ha ozuzu were otutu onwa.

Ha malitere njem ha n'ime abali na agbanyegi umu ihe isi-ike, aghom na oke ufere oyi tinyere umu oria iji wee rue isi ngwucha ugwua, bu ebe ha no kwu wa okoloto iji gosi ugo momeri. Akuko a si Kenya's National Daily.

Ka ha no na anuri maka mmeri ha, ndi Sight Savers International kwuru na ha mere nke a egosi uwa umu ihe ndi kpuru isi nwere ike ime ha na ichu nta ego ibu agha mkpochapu oria ikpu isi nyere obodo ndi na etoolite-etoo-lite n'etiti mba uwa nile.

Josephine Odira sinyo bu otu onye n'ime usoro ochichi ndi anighi ahu cha uzo nke oma na Kenya buru ukpa ekele nye ndi a maka nturu ugo mmeri ha.
*Africa News Online*

**Ogbu Na Mkpo: Ozi Oma Si Mba Europe** **Otu nkeji na tinkom asaa**

Enwela ogwu ogbugba nyere umuntakiri, umu akwukwo tinyere umu akwukwo na ejee mahadum malite n'ime onwa iri, ka enwe chaara oria ogbunamkpo wuru-ewu na mba United Kingdom. Nkea dika oku ihu oma kporo ndi ala anyi bu Naijiria si ngalaba odida anyanwu mgbago ugwu bu ebe oria ngbuna mkpo na eselitawa isi kwa-afo

Ogwu a ohuu a na onwebeghi aha, na enye nche-kwa nyere Group C ogbunakpo a amara dika *Meningococcal.* Nkea nwere umu ihe ofufe umu oria. Ogwu a enweghi ike zuru oke ebe ogbunamkpo Group B no, bu nke na ebuwe umu akwara uburu ibu-ibu ma bute kwa onwu. Ana eme ka amata na inu umu anwuru na gburu-gburu adighi ocha na ebute we oria

Akuko anyi si n'aka ndi meputara ogwu a na ekwu na enyela ogwu ohuru nyere umu aka karriri puku ano nari ise, umuntorobia na mba UK ebe puku iri abuo na otu ndi mmadu na esighi mba U.K ka enyere la ogwu a, o ma di ha mma na ahu .
*London Press Service*

**Mba Nile N'etiti Afrika Ejikoo Aka Ibu Agha Nkwusi**
**Mmebi Iwu Oke Ohia** **Otu nkeji na tinkom ano**

Obodo isii n'ime mba Afrika ehiwela otu taskforce etiti mba uwa nke mbu ga ebu agha nkwusi ida iwu na umu mmebi iwu oke ohia.

Obodo ndia guyere Republic of Congo, Kenya Lesotho, Tanzania, Uganda, ya na Zambia ekwekotaala iga n'ihu nhiwe otu taskforce a, bu nke akporo Afrikan Interpol, maka ikwusi itu mgbere ahia oke ohia n'uzo na ezighi ezi. Nkea bu ozi enwetere si na ihe mmeme United Nation nke n'ahu maka amuma nche kwa gburu-gburu obodo.

Isi onodi otu ulo oru taskforce a di na Nairobi. Osi n'amuma ndi otu iwu nche kwa ndu oke ohia nke mba asato n'ime Afrika zukoro na Lusaka n'afo 1992. O tu a ruru oru ha dika mkpebi nkwekorita ime afo 1996 bu nke aturu anya isi we nye ike maka iche kwa umu anu nke di na obodo Faima na Flora

Ndi oru nche kwa obodo, n'etiti obodo isii ndia ga ejikota onu, iru oru nkwusi umu iwu meegbidere nche-kwa oke ohia n'etiti oke ala ha.
*AWF*

**Akatoola Iwu Kwadoro Ahia Odu Enyi** **Otu nkeji iri tinkom ise na asato**

Onye isi ntoola nche kwa oke chi n'etiti mba Afrika nile, Mazi R. Michael Wright akatoola nnukwu ahia mgbere odu enyi n'etiti obodo ato di n'ime Afrika, n'ihi na nkea mwere ike ibute ichuwa nta siwe enyi ala maka inweta odu enyi.

Nkatoo ya sitere na ahia mgbere odu enyi iri ton ise nke ere n'onwa ano bu nke obodo ato si ndida mba Afrika chee kwara. Mba Namibia rere ton iri na abuo, Zimbabwe rere iri ton abuo ebe Btoswana rere ton iri na asato. Tupu nkwekota a, mba Japan Kachasi azu ahia odu enyi a bu ndi ha resi ri ya.

Na-afo 1997 obodo ato bu ebe enyi ala na-abauba ka enyere akwukwu ikikere nke si n'aka otu komittee mba uwa ke na leeba anya ahia umu anumanu na obodo Faria na Flora ka enyere otu Ugboro ire ahia ndi nke gomenti che Kwara.

Onwegbi odu enyi bu ndi nke esiri si erere obodo ato a achikota onu ogugu enyi ha nwere di nari puku abuo kwuru na ha choro ego iji wee chee kwa ubara onu ogu ha na ne ozu oke ire ahia, obodo nile a nwetene iji ego ha retere chee kwa oke chi ha. Ha gosiri na ha nwere ezi. Otu teruru anya ala igbochi mgbene n'uzo na ezighi ezi. Ma etu osita di ndi okwu nkatoo bu na uche ahia mgbene nke onu ogugu si onwuwa anyanwu na etiti mba Afrika bu ebe enweghi usoro nche kwa ma otu.

Ha nwere nwute di ukwu etu esighi nwe umu iwu n'etiti ogbe owuwa anyanwu n'etiti ya. Mazi Wright kwuru na ha ji anya okonye eso umu ihe iji hu na enweghi ichu nta ohuru bu nke ga ebute mmachi etiti mba uwa otutu afo.
*AWF*

**Otu Nooro Onwe Na, Ehinela Amuma Ichu-Nta**
**Umu Anu Oke Ohia Maka Erimeri** **Otu nkeji na tinkom iri na asato**

Iji hu na eche-kwara ndu oke chi bara uru, ime obodo isii na Cross River Street nke Naijiria nazi azu anu nchi maka erimeri. Nkea bu iji zuo anu ahu nke oma. O bu ndi otu nke onoro onwe ha site na njiko aka otu gburu-gburu hiwere amuma a nkea bu maka ndi ime obodo na enweghi enyem aka nke otu isi ochichi obula

Ime obodo aka ha no n'ime oru ngo bu iko esai nke okpuru ochichi ime obodo Akampka, Ekukumeala na Alok nime Ikom Etara/Eyeyeng na Nsofong n'ime Etung na Bashau nke ime obodo Boki.

Anyi chimela nwa obere ozuzu umu anu tumadi nchi n'etiti ufodi ogbe ime obodo nke aghoputara maka ibelata umu oke ohia na ndu chi okike. Nkea bu nkowa okwu Bassey Archibong, onye otu usoro amuma NGOCE

N'ihu oru nke mbu, umu ime obodo ndia tinyere aka n'ozuzu ejula. Nkea ga esonye muta nche-kwa bu nke ga aputa ihe n'ihu oru nke abuo maka ime ka ime obodo mata uru obara iche-kwu umu ihe ndia chukwu jiri gozie ha

Bassey Archibong mere ka amata n'ime obodo nile di kwa njikere iche kwa umu ngozi na oke chi ha, kama ha choro enyem aka usoro uzo ozo

*Obasi Ogbonnaya*

**Site Na Igba Mbo, Ime Obodo E Chekwala**
**Nde Naira Abuo** **Otu nkeji iri tinkom ato na ise**

Ime obodo Akassa no n'ime Rivers Street no ugbua aguko ego ha na niri puku nde puku naira n'umu ihe ndia ha nwere, ma di kwa na njikere ehiwe ulo oba ego nke aka ha n'etiti ime obodo ya. Nkea di ire site n'umu nwa obere ego mgbaziri na chekwa umu ego nke ime obodo a wagidere ka mgbe onwa iri na asator otu na enweghi aka gomenti hiwere amuma ma kpo oku ka amalite ya.

Otu oru mmepe ime obodo Akassa na ahanzi umuma mgaziri umu nwa obere ego a nke oma ihe kariri iri mmadu asaa nwetere enyem aka ka mgbe omalitere onwa iri na asato. Umu oru ngo nke ha waghidere guyere oru ikpu uzu oru nkaa, oru mkpuru igwe nruzi umu ugbo ala, ndi ozo gunyere, ikwa akwa iha manu anu na aka oru igwe computa.

Agbara ndi nile nke gbaziri ego a, igba mbo na eche-kwa umu ego n'usoro anumma akporo 'ogbo' ka ha na kwughachi kwa ugwo ego ha gbaziri.

Mike Weeks bu onye oru ntuzi aka usoro onodi oru anuma nche-kwa otu ulo oru mmepe ime obodo Akassa mere ka odoo anya n'ufodi ego nchekwa ha gbadatara obere onu ego di naira ise, okwuru na enwela ego nche kwa di nde naira abuo n'uzo a. Aga enwe usoro ohuu nchikota aka oru mgbazinye nwa obere ego a, maka oga n'ihu nke ndi ime obdo akassa. Ka ihe siri kwuru enwela otu oru ime obodo, otu ntoo n'ala mmepe ime obodo Akassa maka ichikota ngbazi amuma usoro mgbazinye nwa obere ego a

*Obasi Ogbonnaya*

**Otu Ntoo Ala Nche-kwa Oke Chi Obodo Anya Eweputaala Akwukwo Akuko** **Otu nkeji na tinkom iri**

Ogbe muta gburu-gburu nke otu ntooala nche-kwa oke chi eweputaala akwukwo akuko bu usoro ihe ndia. Umu akwukwo akuko ndi ozo nke ha ga biputa gunyere “mbe-kwu”, nkea bu akwukwo akuko umu aka na aputa wa kwa onwa, ha na PANGOLIN nwere nkwado oru ngo Okwangwo by aka oru nke ndi otu nkwado onu ego nche kwa oke chi etiti mba uwa tinyere mba United Kingdom (WWF-UK)

Akwukwo akuko akporo “ROAN” bu aha ele nke ejiri mee ihe nriba-ama NCF Akowara ROAN dika otu akwukwo na ekwu kriri maka nsogbu n’usoro ihe omimi ndu maka iche kwa ndu oha na eze ime obodo Afrika ya na Madagascar.

Ano ugbu a cho umu mkpisi akuko n’aka onye obula si mba mbiputa akwukwo akuko nke mbu ga ebu ihu akwukwo iri isii. Maka umu ihe ndi ozo banyere nkea, kpoturu onye: The Editor-in-Chief, ROAN, NCF, km 19, Lekki-Epe Expressway, P.O. Box 74638, Victoria Island, Lagos, Nigeria. Tel: 234 1 264 24 98; Fax: 234 1 264 24 97; email: info@ncfenvironment.com

*Obasi Ogbonnaya*

# *Ihe Ejiri Mara*

**Umu Egbe Onu Di Iche Iche Ewele Inyom Iwe Gbasatara Etu Ha Si Ekee Ekike Ma O bu Eyi Akwa** **Nkeji alo na tinkom iri na abuo**

Inyom na, ndi otu nwere onwe nke mba Malawi Ekwueala na nkea bu ihe mkpari bu okwu si n’onu ndi otu omebe iwu puta, na inyom nazi emebi ekike n’uzo igba otoo. Na ntunye okwu ya n’isi obodo Lilongwe odi nso a Joseph Njobvuyalema kwuru n ka mgbe mba Malawi jiri weepu iwu chedoro iyi akwa n’ime afo 1992, na inyom nazi agba-otoo agaghariri ji gosi onu ahu ha di iche iche.

Onye Speaker Sam Mpasu chupuru Joseph Njobvuyalema n’ulo onodi nzuko omebe iwu n’ihi eweghachi okwu a okwuru.

N’usoro ochichi nchigbu nke Hastings Kamuzu Banda chri obodo a site n’ime afo 1964 wee rue 1994. Malawi na atuwa nwanyi obula nke ahuru yiri akwa ukwu ogologo ma o bu akwa mbene ukwu iji gosi site na ukwu ya wee rue ikpere mkporo. Otu ihe a na kwa agara ndi Ikom ahuru bu oke ntutu ma o bu egosi iba ha.

Umu ihe ndia gbanwore ka enwere usoro iwu ohuru na chi obodo nke ime afo 1995. Mana aka na agba inyom ahuru yi akwa mba enu ukwu na egosi anu ahu okwu nkatoo, di iche iche ma o bu te ya owo.

Emmie Chanika ji okwa Executive Director nke otu Civil Liberties (CILIC) na ndi otu nwere onwe dika Centre of Human Rights and Rehabilitation (CHRR) akatoola okwu a Joseph Njobvuyaleman; kwuru dika ihe nwute ma joogbue onwe ya.

Emere ka o mata na okwu ya joro njo nwere ike imebi aha otu ndorondoro o si puta. Nancy kamawana onye oji ego achu oku ego na Lilongwe kwuru n’otutu ndi nmadu echefu-ala na otu ndorondoro Malawi Congress Party (MCP) weeputara iwu banyere iyi akwa bu nke eji tuo otutu inyom mkporo maka ha ikwu uche ha.

Anyi turu nwene onu ogugu nde mmadu iri, ebe inyom no nime ya kariri okara ghoputara ndi otu omebe iwu na onye isi ala n'onwa isii na mkpuru abali iri na ise. Njobvuyalema so kwa na ndi ohuru nke nyere otu mmadu n'ime otu na iri itoulu ndi otu ulo Nzuko omeber iwu.

Stella Makanya onye Zimbabwe muo ya siri kike ni ihe gbasatara nwoke na nwanyi booro usoro omenala ina ajoo ukpuru nke inyom ji eso iwu ohuru iyi akwa nke ime afo 1995. Okwuru na nkea ebuputaala inyom Malawi ukwu na ezi n'ihu ekike di'che iche juputata ulo ahia Blantyre na Lilongwe. Igwe ihe ngosi Satellite tinyere umu akwukwo ekike mma nye-kwuru aka inyom ighoro udi ha ahoro nke meetutere umu nri na usoro azuma ahia. Ka odi Joseph Njobvuyalema alooghachila azu n'etiti onodi nzuko omebe iwu mana ajoo onu ya ka na eso ya aga.
*IPS*

**Bill Gates Akwadola Oru Ihe Omimi Nyocha Oria Mmikpo**

**Nkeji abuo iri tinkom ano na otu**

Nwoke kachsi new ego n'etiti mba uwa, Bill Gates ga eweeputa ego ikwado kwa otutu oru nyocha ihe omimi banyere oria mmikpo n'etiti ulo oru ahu ike obula na agba mbo maka nkea n'etiti mba uwa ha na oria iba

Onye a bu oka ibe na igwe Microsoft na oriaku ya bu melinda ka anyi nuru weeputara nde kuru ijeri dolla nye William H. Gates maka ndi otu nke ga ekeeta oke. Aga abiputa etu esiri nyepu onu ego tupu ngwuch afo a. Anyi nuru na nwa amadi na nwunye kwuru na ha di kwa na njikere iji oso so mmeputa ogwu mobochi oria mmikpo a n'etiti uwa nile. Ebe nkeesa umu ogwu a netiti uwa nile ga kwa enye aka ikpochapu oriaa mmikpo.

Aga agbasoro ulo oru The Internationa aids Vaccine Intitiative (IAVI) na nkesa ego nkwado a bu nke rigoro onodi di ukwu. Mahadum Oxford nke Southern England ga bu ndi nke ga ekeeta oke mmeputa ogwu mgbochi nke aga atulee na mba U.K. na Kenya.

Ogwu a emeputara na Oxford ka ana atu amuma in\malite nleeta ire na-afo ga malite n'ime onwa ano afo ozo. Aga eji kwa ya jee nleeta Nairobi bu iri percent abuo nje oria mmikpo a nke ga eru ime obodo na obodo ndi mmepere emmepe nkea bu uche okan-muta Andrew McMichael bu onye isi ngalaba Oxford no oru nyocha ihe omimi a.

Okanmuta Andrew Mc Michael kwuru na ya nwere obi si ike n'oburu na enwe ego zuru oke maka oru ha, na aga emeri oria mmikpo a na afo asaa karia afo iri na asaa aturu anya.

Oria iba na egbuwe umu aka di nde abuo kwa afo n'ime mba Afrika. Nkea so kwa ebute we uburu ezughi oke n'etiti ha ana enwe, wa onu ogu puku iri na isi kwa ubochi bu ndi nke oria mmikpo ji aka netiti uwa nile, ebe okachasi di ubara bu na obodo ndi nke na eloolite-etoolite. Onodi aku n'uba ha na eyi egwu ma na ekpochapu kwa ndi nke di ume oru. Nkea na ebudata ogologo obibi ndu ha ipem mpe afo iri ato.
*London Press Service*

**Enwela Nzuko Omumu Ihe Gbasatara Iwu Oke Ohia Nke Mbu Na Naijiria** **Nkeji ato na tinkom iri na abuo**

Nnukwu amuma maka iweputa usoro iwu mbu na nche kwa umu oke ohia na obodo, gbara na onwa asato malite na a bali iri na asato wee rue iri abali abuo na otu na Gateway Hotel Ota ogun Steeti odida anyanwu nke Naijiria. Ibe akwukwo mbu nke gbasatara iwu a bu aka oru ndi otu NCF nwere ntinye uche nke ndi okwu oke ohia dooro anya si ebe di iche iche na obodo anyi.

Ihu akwukwo mbu a di iri isii bu na obi nkeewaputa otu nke oru ha ga bu ichikota aka oru umu nche kwa umu ihe okpu. Mgbe iwu a ga amalite oru o ga aghazi usoro Steeti, okpuru ochichi ime obodo ngalaba ulo otu oke ohia ga eji aru oru ha.

Etiyere anya n'umu ugwo onwa, ngwa oru na nchedo oke ohia ndia. Aga enwe kwa asambodo oru banyere umu ihe ndi nke oke ohia bu. Ihe ozo nke akwukwo a leebara anya bu onodi ikwu ugwu onwa otu ohuru a, ha na umu ntarama ahuhu nke aga enye onye daara iwu a.

Otu nkiti nile nke sonyere n'umu iwu a gbara mbo ihu na ime obodo obula nke na achikota aka oru nche kwa nwere ikikere na ohere ebe oke chi no ha nso no. Oha obodo ga etinye kwa onu n'umu mmebe iwu a nihu na o bu ha ga emmeputa usoro iwu na amuma oru ndia.

Ihe kariri iri otu ndi nkiti di iche iche abuo nke gunyere ndi oru gomenti ulo oru mbo, na ulo akwukwo elu zukoro na ota na nuru mbu usoro iwu a. Ndi ozo nke sonyere na oke onodi a gunyere Dr. Aminu Kano ji okwa Executive Director NCF. Okanmuta Emmanuel Obot, onyeji okwa director Technical Programmes na Ibrahim Inahoro bu NCFT Manager na onye kwadoro onodi omumu ihe nzuko a. Ndi ozo bu Deputy director ulo oru nche kwa oke ohia ala anyi bu mazi Z.O Adesiyan onye isi oche Management Evaluation and Co-ordinator Unit (FORMERCU) Mazi P.M. Papka onye Deputy Director ulo oru oke ohia Cross River Steeti, Mazi Philip Mfon. Enwere ndi oka iwu bu Barrister s.A. Okonfua nke FDF Legal Deparment Dr. Olawale Ajai bu onye kwadoro ihu akwukwu iwu ha na ndi nnochite anya ndi nkiti mara a maka mmepe gburu-gburu obodo.

Ebughariri onodi omumu ihe nzuko a ka ha nochara abali abuo maka ha inwe ohere ntugharita uche ha na ndi otu NCF ha na ndi ulo oru nche uwa oke ohia n'ala anyi. Nguputa usoro iwu a nke abuo ya ga di mgbe odi n'ihu iji wee deezie umu ihe ndi nke na adaabachaghi adaaba n'etiti ulo oru abuo a.

*Obasi Ogbonnaya*

**Umu Iwu Nke Ogu Aputaala Ihe** **Nkeji abuo iri tinkom abuo na isii.**

Otu igwe nleere anya akporo Television Trust for the Environment (TVE) nwere onodi ha na London eweputaala umu ihe nleere anya na egosi oke nwere onwe nke mmadu na oge ogu, ha na ekpe m'ikpe onye daara iwu a. Aha umu ihe ngosi a ka ukporo International Criminal Court PSAs na The Rules of War gosiri na ihe agbanwoeala meghide ndi ochichi nchigbu na ndi ojoo bu mwo ilu ogu mgbe obula n'etiti mba uwa dum.

Adi otu abuo gabkoro ako wee weeputa International Criminal Court PSAs ndi aka ebe (Ndi otu oko iwu nwere onwe na mba USA) na njikoo aka ndi otu International Criminal Court. Nkea di na usoro amam okwa ato (PSAs) gosiri ndi ike Adolf Hitler na Augusto Pinochet n'umu ihe ojoo ha kwadoro. Umu ihe ndi ozo nke ihe a gosiri bu umu ajoo aka oru jiri na mba Rwanda Bosnia ya na Nazi Germany tinyere oha na eze etiti mba uwa na ekwu okwu udo.

Ozi anyi nwere na ekwu na ihe umu ngosi a di egwu bu nke TVE websit koowara nke oma. Ndi otu PSAs na kpoku oha na eze igba mbo juo ese banyere International Criminal Court ma na ekwu na oburu na enweghi ezi okwu agaghi udo. Ma enweghi ngosiputa ezi aka, enweghi ohilee anya n'ime ajo nari iri abuo na otu.

Umu iwu ogu na eme emume iri afo ise ya na nnukwu onodi nzuko Geneva bu otu jikoro obodo obula iche-kwa ndi nkiti ndi ahu adighi ndi agha nke meeruru ahu n'ogbo ogu. Ihe ngosi a nwere nwute di ukwu banyere oke nke di n'etiti ndi nkiti ya na ndi agha ka mgbe eburu agha n'etiti mba uwa nke abuo. Oji kwa ohere a wee rutugesi aka n'umu ihe ndi nke otu Red Cross nke etiti mba uwa ruru (ICRC) na ikuzizi ndi agha mkpebi mbi nye aka otu nari iri asato na asato onodi nzuko a nwere.

Ihe ngozi a ruturu aka n'umu oha na eze na enweghi inuru nti ndi ochichi nchigbu. Ogosi kwara Augusto Pinochet buru onye isi obodo Chile gbara iri afo asato n'uma bu onye nke ana ekpe ikpe n'etiti ulo ikpe nke uwa banyere aru nile okpara. Ndi otu agha nke Serbia no kwa ugbua na otu aka, amam ikpe a banyere njiji nke ha jiri meeghide ndi obodo ha

*Oneworld.org*

## *Ngala Ba Umu Aka*

**Ubochi Nkita Ohia Ghoogburu Eze Umu Anumanu** — **Otu nkeji iri tinkom ise na ise**

Otu ubochi gaara aga nkita ohia no na aga n'uzo okwute di wara-wa mgbe ozutere odum ihu na ihu na abia n'ihu ya. Mgbe na oghoorola odum oghughoo otutu mgbe gara-aga na ugbua nke a bu ohere odum imegwara.

Na otu ntabi anya amuma batara obi. O maa n'ala wee jigede nkume mmriri aka maa leli anya elu tie mkpu akwa maka enyem aka. Odum kwusiri na ike na nkuja. Okwadogo izoozhide nkita ohia ma tie iya ihe di egwu Nkita ohia tiri mkpu enyem aka, okwute ndia choro idaghide anyi? Anyi nile ga anwu mee ihe odum

Odum leliri anya dlu n'ijoo ma tupu onwe ike iche-echiche, nkita ohia yoro ya ka ojiri ikikere ya weejide okwute mmiri. Jide ya, bu akwa nkita ohia, benee ka mga wee te osisi wee tukwasi na elu okwute izoo ndu anyi abuo. Odum ji ume ya wee butu okwute a mgbe nkita ohia kwara ya emo wee mipu, hapu nani odum iburu ibu okwute. Onoro otutu oge, tupu ochoputa na o bu aghughoo ozo ka eti nyene ya, anyi agaghi amata. Mana otu ihe dooro anya nkita ohia malitere itu egwu di ukwu mgbe o bula ohuru odum

*When Hippo Was Hairy*

**Kedu Ihe Umu Nnunu Ji Abu-Abu Ututu?** — **Iri tinkom ise.**

Nnunu na abu abu ututu ji me e ka amata n'umu n'ununu no na ogbe ya, ma o bu maka imu nwa. O na abu kwa abu na mgbe abali tupu olaapue. Umu ihe egwu a putara bu ebe a bu ebe m na ebe ka m bi

Umu nmunu na eche kwa ogbe ha nke ukwu dika etu umu anu ndi ozo. Ogbe obibi ha di nnukwu mkpa nihi erimeri, imu umu na ila-kpu ura. O buru na nnuru ememo ahu ma o bu nwuo, udi agburu nnunu ndia ga akuru-kwa onodi ogbe nke ya ma malite kwa bu kwa obu abu gosriri na o bu be ya
*Chongololo*

**Kedu Ka Umu Nnunu si Akwuru Na Ahiri Okulatric Emeghi Nkuja?** **Iri tinkom ise na isii**

Anyi ga enye gi osisa otu anyi nwere ike nihi na ihe gbasatara oku Latric siri ike nghota.

N'umu nnunu (Ma o bu umu anu) inwe ike Nkuja n'oku latric na ume oku latric ga eru ahu ha. Nkea gosiri na umu nnunu ga enwe mmeko ha na oku latric n'ala ma o bu ahiri ozo bu ume oku ma o bu godi pylon nke na ebuwe ikikere umu ahiri ndia.

O buru na nnunu akwuru na ahiri ike oku latric onweghi nsogbu nihi na ume oku eruteghi ahu ya. Ma oburu na nnuru emetute ahiri ma obu were nku ya, metule pylon bu ebe ume oku latric ga emetu ahu ma gbue ya.
*Chongololo*

**Mkpuru Anya Ukwu** **Nkeji itolu iri tinkom abuo na ise**

Otutu mgbe gara aga enwere otu nwanyi nwere otu nwa nwanyi. Mgbe ada ruru oge ilu di, okepbiri ilu di n'ime obodo akporo "Ohamkpi" bu nke purutara obodo umu ewu. Mbo nile iwepu nkea n'uche ya kpuru ajo n'ata. Na mgbe ikpe azu nne muru ya nyere Ngozi ya o wee luo otu nwoke. Eziri nne ya ozi maka ibia leeta nwa ya.

Dika omenala siri kwuru, ozuru otutu, ihe oga eji abia eleeta omugwo umu ihe ndia gunyere eresi, akpu, agwa, azu, anu, mmri ara tinyere otoo biri bi tinyere umu ihe ndi ozo kwesiri iji wee lee nwanyi no omugwo. Okwajuru umu ihe idia na ukpa wee bilie njem nleeta ya.

N'uzo njem ya, onwere nwa nnunu feefere ma rio ya kka onyetu ya umu ihe obu ka ya wee gwa gi ihe iga eme. Mgbe nwanyi nuru okwu a, o buturu abo ma nye ya na otu na otu umu ihe erimeri a o bu, nwa nnunu wee kwue. Na oburu na irue ohamkp I ga hu na ihe nile bi n'ime ya bu ewu. Iga ahu ha kpara agwa ndi mmadu, n'hi ya esogbula ha. Kama kelee ha na asusu ha. Ekeele ha bu nkea, "*Unu gwezima*" bu nke ha ga azaghachi azu "*gwezima sima gwezima*" ka nwanyi a na nnunu a kpachaara ububo ya obile gaa wa njem nleeta.

Oteehi anya orute ime obodo ohamkpi, ihe mbu ozutere bu umu ewu no oru ugbo na aboo ahihia eleezi umu ihe akuku ubi anya. "Ndi ogo m "*unu gwezima*" nke ha zaghachin ya "*gwezima zima gwezima*". Kedu onye kuziri gi asusu anyi? O gadiri gi mma. "Iga laghachi azu na udo dika esiri bia na udo"

Ka o na aga ohu-kwara umu ewu ndi nke na api manu nri. O kelee kwara ha etu osiri kelee na mbu ma nweta kwara ozi ekeele otu onwete re na mbu. Na ikpe azu ohuru ezi n'ulo na eri nri abali kwere ha ekeele nke ha zaghachiri.

Ka obatara na ezi n'ulo ogo ya okelee kwara ha "*unu gwezima*" ha zaghachin ya "*gwezima zima gwezima*". O wee makuo ada ya na ogo ya nwoke. Wee juo na ya choro ihu nwa nwa ya nwoke, akpoputara ya otu mkpi gbara agba, o makuru ya ma kunye kwa nne ya bu ada ya.

Ka onochara izuka abuo okpaghariri ihu ndi agbata obi ma nwe mmeko ha na ha. O mere ka ha mata nlooghachi azu ya. Ma ndi ozi gaa zuru ime obodo na agu egwu mgbe abali.

Ndi ohamkpi
Obianyi na ala echi
Biko bute nu umu n'onyi nye unu nwere
Ihe oma ekwesiri inye onye obianyi
Ezi nnukwu oku oriri ula

Ndi oha na eze ime obodo Ohamkpi weetene umu onyi nyeha, ufodi eweetere, akwa uwe elu ahu, umu akwa ichafu ma akpu kpu ukwu. Ndi ozo weetere iyeri n'umu ihe ndi ozo mmadu nwere ike iju nye onye afo oma. Akwajuru umu ihe ndia na akpati ji we kelee ma kwanyere ya ugwu nne biara nleeta.

Mgbe ochoro ila, ogo ya nwoke, choro ugbo ala oji ala nnukwu ikukwu biara ma ojuru ya. Mgbe ikuku juru ezi oyi biara onabatara. E nyere ya iwu iga osiso ma cheere ebe anwu di ukwu maka ogo ya nwanyi izu ike na okpuru osisi. Ikuku nuru iwu a enyere ya ma bula nwanyi a na udo.

Ka olaruru ndi agbata obi, ya n'otutu ndi mmadu biara soro ya nuria onu ma juo ya ese ada, ogo ya nwoke na nwa nwa ya nwoke. Mgbe ihe nile gaasinri ndi mmadu amalite ilaa ebe onye si bia, otu onye agbata obi ya juru ya oke nke ruwere ya n'usoro omenala. Dika omenala siri di nwanyi obula bu agbata obi ga ekeeta oke si n'aka ndi ogo. Onwetere otu ukwu akwa na akwa elu dika onyinye. Ma na oji anya ukwu wee ju ina umu onyinye ma kwue na ya ga enwete nke aka ya. Na otu ntabi anya, ogwara ada ya ilu di na Ohamkpi ma noghide na okpere ka ada ya muta nwa, azara ekpere ya, omalite otu ngbe kwakota wa umu ihe oga eji lee omugwo dika onye agbata obi ya siri ga.

Na uzo Ohamkpi nwa nnunu puta kwara rio ya umu ihe ndia orio bu erimeri maka igbara ya ama ka ma inye ya umu ihe nida, nawnyi a gburu nnunu ahu tinye ya na abo ya buru gaawa njem ya. Otee gi aka orutere obodo Ohamkpi.

Mgbe ohuru otu ezi n'ulo no na ugbo, oturu ha osis na okwute tiwe mkpu na oke olu ka onye nwe ugbo bia chuo umu ewu a. Ha kporo ya iyi wee goro ya ajoo ofo. Ka ona aga ohu kwara ezi n'ulo na api nkwu maka manu otu kwara ha umu ihe, ha kpo kwara ya iyi ma goro ya ofo umu ajoo ihe izute ya.

Mgbe oruru ebe ndi ogo ya no okelere ada ya nwanyi wee gwa ya ikpo di ya ma kutere ya nwa nwa ya. Ma ada ga gosiri mkpi gbara agba wee gwa ya na nke a bu di ya. Ogbara ogo ya nwoke ukwu ma tupu nwa ya na ekwu na onwghi ihe ya nwere ha na ndi a.

Echia okwuru na ya choro ilaaghi azu n'ulo ya ma juwa ese umu onyinye udi nke agbata obi ya nwetere mgbe obiara. Ogo ya nwoke kpaghoriri ime obodo Ohamkpi wee na abu abu

Ndi oha na eze Ohamkpi
Obianyi na ala a echi ya
Biko bute nu umu agwo, anu, ebu na ahuhu
Bu nke anyi ga ebun nye obianyi
Udi oku oriri ula kwesiri ya

Mgbe ha nuru nke, nfodi ndi weetere eke, umu ajoo agwo, anu ebu na umu ajoo umu ahuhu na gbachi nti: Akwanye juru umu ihe ndi a n'ime akpati, n'ichi anya ukwu nwahi, a ojughi ese imatti akpola ya, ezi ikuku juru oyi biara ma ezi lara ya. Mgbe ajoo nnukwu ikuku baraa agwara ibula ya. E onyere ikuku a iwu igbaa oke oso gbafe chaa ebe nile were ndo ma kwusi ya ebe oke anwu di maka ezumike ya.

Ikuku a kwenyere na ozi eziri ya. O gbatee chara ebe nile enwere ndo n'umu osisi bu ndo wee rue na ebe dika ozara bu ebe anuwu na etiwa uburu na enweghi ndo wee chere maka ezumke. N'ihi oke anwu nke mara ebe ahu umu ajoo ahuhu, agwo ji iwe gbaawa kapati wee riputa jide nwa nyi a taa gbue. Nnukwu ajoo ikuku a buru ozu nwanyi na okpati n'umu ihe di n'ime ya ga doobe n'onu uzo be nwanyi bi.

Nkea bu etu nwanyi ji anya ukwu na ekworo siri nwo ownu. Ihe muta nke di n'ime akuko a di otutu. Nke gunyere:

a.) Anyi kwesiri inwe afo ojuju n'umu ihe anyi nwere;
b.) Anyi ekwesi gu n'iwe ekworo ebe oga n'ihu ndi ozo di
c.) Anyi kwesi inwe obi ocha ebe ndi ozo no. O buru na nwanyi a nyere nnunu ufodi erimeri a, onwere ike oghaghi ezute umu ajoo ihe onwu gburu ya.

Character Moulding Stories for Better Citizenship

## *Umu Akwuko Di' Mkpa*

**Umu Oke Anu Ohia Ituteghari Umu Enyi** **Otu nkeji**

Ufodi oge ona ewe nnukwu, nna gbasiri ike imee ka umu obere anu oke ikwuru nke oma. Nkea adigbi ni usoro nke mmadu ka anyi jiri Pilanesberg bu ogbe nleeta etiti nke di na South Afrika maa atu bu ebe otutu afo gaara aga nne enyi nabatara ma nye kwa ezi nche kwa oke enyi na enwughi nne na nna si ogbe Kruger National Park

Mgbe enyi ndia na nweghi nne na nna di obere, nwunye enyi na ekpu chido ha nke oma. Odighi ka okonye umu anu ndi ozo, oke ha na agbawa isi akwara, ufodi oge ha jiri ikikere ha wee gbuewe ufodi rhinos

Ekwue ajoo omume ha nwere ike isi na nnukwu oke anoghi nso. Ndi oru Pilanesberg bubatara umu nnukwu anu ohia n'ime onwa ato si Kruger inoyere ndi obere dika etu ihe siri kwuru nkea na amita ezi mkpuru n'ihi na onwebeghi rihinos nke ebusoro agha.

*AWF*

**Ngari Kpuru Afo N'ala Njem Nlegehari Anya**
**Riri Elu Na Tazania** **Iri tinkom ano na asato**

Enwela ihe mgbenwoe na njem nleeghariri anya na Tanzania enwetere nari ato, iri itolu na abuo lolla US n'ime afo 1998. (US $ 392 million) bu nke kachasi elu n'ime afo a ozi nke anyi si owuwa anyanwu nke mba Afrika nweta na eburu ukpa ekeele ekeele ha ma na ekwu na o bu ngari kuru afo n'ala. Ndi njem anazi adaba n'aka ndi iri ngari. Osiri ike ndi njem inye ego ngari bu aka oru ndi oru obodo.

Omume a gbanwoere na ndi iri ngari nke ana enyewa otu afo gara aga n'odu ugbo elu isi wee nabata ha ma o bu che kwa ibu ha bu nke na eme oge ugbua na egbughi oge
*Newslink Africa*

**Malawi Anabataala Inyom N'etiti Ndi Oru Agha Ya** **Otu nkeji na tinkom asato**

Malawi na eji oso emmpe uzo nyere inyom ndi ha na ha di na mma. Ewepula iwu a machiri ekike inyom. Ugbua isi ochichi ha no na amuma inabata ndi inyom n'etiti ndi'oru agha obodo ya.

Ha mere ka odoo anya na ogwula obodo ha bu obodo na enweghi inyom welitere isi n'ogbo okwa n'etiti ogbe obodo ndi ozo. Nke a bu okwu Lt. General Joseph Chimbayo bu ochiagha nke obodo Malawi. Okwuru n'a aga amalite iwee umu ogboogho n'ulo oru nke ndi agha tipu ngwucha afo a. O ma o bu na mbido ime afo ohuru na abia abia. Chimbayo mere ka amata na amuma banyere nke a akwurula ebe aga amawaputa okpurukpu onu ego maka iwee umu agbogbo ndia.

Okowara na nkea bu otu uzo aga eji eweepu ihe gbasatara ikpa oke, oke na nne n'etiti obodo ya. Chimbayo kwuru na aga ewee umu ogbogho iri ato na ise n'etiti ogbe oru ndi agha na abughi igba egbe, ma etu osila di aga enwe onodi nzuko omumu ihe banyere oke na nne maka ikwado ha maka mgbanwoe ohuru a.
*Pan African News Agency*

**Ulo Oru Mbiputa Akwukwo Ogugu Ebiputaala Akara Umu Ugbo-ala Ndiahu Na-ada Iwu** **Otu nkeji na tinkom ato**

N'iji hu na eburu agha nkwusi meb ikuku ndu, ulo oru mauritian daily L'express amaliteela ibiputa akara umu ugbo ala ndiahu ji anwuru oku emebi okporo uzo nile.

N'u mu akwukwo ogugu odi nso a ha biputara enwere akara ugbo ala iri abuo nke ha deputara ha na aha ndi nwa ha. Isi mbu na uche onye isi nleeba anya n'akwukwo ogugu bu na obi bu ime ka ndi nile nwere umu ugbo ala mata ajoo ikuku ndu nke ha na emebi, n'ihi ka ha we nlugharita uche ma mizie ugbo ala ha

Onwere nwute di ukwu n'umu ozi di iche iche na onodi nzuko omumu ihe tinyere iwu banyere nkea kpuru afo n'ala onye editor mere ka amata na aguwula mgbe oha na eze Mauritians nwtere ike ihu eligwe anya ma kuru ikuku ndu na ndi nile nke ugbo ala ha na emebi ikuku na agaghi ama ta ihe ha na eme ebe oha na eze ime obodo ya.
*Africa News Online*

# *Umu Mkpuru Okwu Na Nkoowa Ya*

| | |
|---|---|
| **ACDP** | Amuma Mmepe Ime Obodo Akassa |
| **ADF** | Otu Nkwado Ego Mmepe Akass |
| **AIDS** | Oria Mmikpo |
| **CBO** | Otu Nkwado Ime Obodo |
| **CHRR** | Ogbe Otu Nwere Onwe Na Ntu Teghari |
| **CILIC** | Otu Nwere Onwe |
| **HIV** | Nje Oria Mmikpo |
| **IAVI** | Amuma Ogwu Oria Mmikpo Nke Etiti Mba Uwa |
| **IBA** | Ogbe Nnunu |
| **ICRC** | Otu Mgbata Oso Izoo Ndu Nke Etiti Uwa |
| **MCP** | Otu Nzuko Ndoro Ndoro Nke Mba Malawi |
| **NCF** | Otu Nche-kwa Chi-okike Nke Naijiria |
| **NGOCE** | Otu Ndi Nkiti Jikoro Aka Maka Gburu-gburu Obodo |
| **PSA** | Mgbasa Ozi Nyere Oha Na Eze |
| **RSPB** | Otu Nche-kwa Umu Nnunu |
| **TVE** | Otu Igwe Ngwa Lere Mgbasa Ozi Nche-kwa Gburu-gburu Obodo |
| **WWF - UK** | Otu Nkwado Nche-Kwa Chi Okike Nke Mba-Uwa Ngalaba United Kingdom |